# WEDDING SONG

## OSEBURUWA BU ONYE AK'EBE By Peter Egbo  Key D or $E^b$ $\frac{3}{4}$ timing.

Oseburuwa bu Onye ak'ebe m, ezigbo dim; Ahapugo m nne na nna m, bia ka mu na gi biri.

Bass:  Eh Chineke Nna bu Onye ak'ebe;  Ezigbo dim; Ekwere m ekwe, bia ka mu na gi biri.

VERSES:

1. Etu obuna isire mee m onwe gi k'I  na-eme; I mee m mma, I mee m njo, O bu onwe gi k'ineme; n'ihi na ahapugo m ikwu na ibe m, bia ka mu na gi biri.
2. (Tenor & Bass): Oseburuwa gozie m, ka m meb'uche Gi; Ezi Nna nonyere m; rukwasi anyi amara k'anyi biri n'udo.
3. (Sop): Lekene ka m siri hu gi n'anya--- I burugo di m; Ihe nile mbu, bu nke gi
   (Alto & Tenor):  Eh  ihe  adik'ihunanya. I burugo dim; Ihe nile mbu, bu nke gi.
   (Bass):------------------------------------------------; Ihe nile mbu, bu nke gi.
4. Chineke goziere m nne na nna m; gozie mmadu nile ndi biara i nonyere m; chebe ha n'ofu n'ofu.
5. (Sop & alto): E Dim oma, ogu e biela;  (All):  Jebe jebe adirozi ma naba anaba adirozi;  (Sop & Alto): mme gi mma mme gi njo; ; Ihe obula mmere gi, o bu onwe m ka m n'eme; (ALL):  Chineke bu Ony'akebe---!!!

